**UKA 8 N'OGE NA-ADANYEGHI N'EMUME- Afo nke Ato**
**8th SUNDAY OF YEAR C- February 27th, 2022**

**IHE OGUGU NKE MBU: Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Sirak (27:4-7)**

**M**gbe a yochara ihe na nkata, ka ifuribe ya na-aputa. Otu ahu kwa ka igba-oru di na mmadu si egosi onwe ya n'okwu onu ya. Otu e si eji oku elegha aka oru onye okpu-ite, ka e si eji okwu onu mmadu elegha ya. E ji mkpuru osisi ala mitara were amata otu ubi ebe osisi ahu pulitere siri di; otu ahu kwa, okwu onu mmadu na-egosi ihe di ya na mmuo. E nyela mmadu otito tupu o kwuo okwu n'ihi na o bu okwu ka e ji elegha mmadu. **Okwu nke Oseburuwa- Ekele diri Chukwu**

**ABUOMA: 91:2-3.13-16 Az. 2. *Aziza:* Onyenweanyi, o di mma inye Gi ekele**

**1.** O di mma inye Onyenweanyi ekele; ya na ikwere Gi bu Onye Kacha Elu ukwe otito; biakwa na-ekwuputa obi oma Gi n'uzo ututu, bido kwa n'abali na-ekwuputa idi mma Gi ruo na chi obudo. ***Aziza.***

**2.** Onye ezi omume ga-eto ogologo, biakwa maa mma dika nkwu. O ga-etowapu dika osisi seda nke Lebanon. Ndi a kuru n'obi (house) nke Onyenweanyi ga-eto ogologo maa mma n'ogige nke Chineke anyi. ***Aziza.***

**3.** Ha ga-amigide mkpuru mee agadi, biakwa juputa na ndu gbasiekwa ike; Na ekwuputanu ka Onyenweanyi si akwuwa aka oto. Nkume m! Onye na-ebughi oru o bula! ***Aziza.***

**IHE OGUGU NKE ABUO: Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi Mbu Pol degaara ndi Korint. (15:54-58)-M**gbe ahu nke a puru ire ure yikwasiri ereghi ure; mgbe ahu nke a puru inwu anwu yikwasikwara anwu anwu; mgbe ahu ka a ga-emezu okwu ahu e dere n'Akwukwo Nso si: "E loro onwu n'ime mmeri! Onwu! olee ebe mmeri gidi? Onwu! Olee ebe ufu gi di"? Ufu onwu bu njo. Ihe na-enye njo ike bu Iwu. Ma ekele diri Chineke Onye nyere anyi mmeri site n'aka Onyenweanyi Jesu Kristi. Umunna m m huru n'anya, guzosienu ike n'okwukwe unu. Kwurunu chim n'iru oru nke Onyenweanyi. Unu maara nke oma na mbo unu na-agba abughi ihe efu mgbe a gbara ya n'ime Onyenweanyi. **Okwu nke Oseburuwa- Ekele diri Chukwu**

**A L E L U Y A (Fil 2: 16a, 15d) : *Aleluya, aleluya.*** Jidesienu okwu nke ndu ike, ka unu wee chawaputadika ihe n'uwa ***aleluya.***

**O Z I O M A : Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di nso nke Luk dere: (6:39-45)**

**J**esu tuuru Umuazu Ya ilu si: "Onye-isi, o puru idu onye-isi? O buru na ya nwaa, unu chere na ha mmadu abuo agaghi adaba n'olulu? Nwata akwukwo akaghi onye nkuzi na-azu ya. Mgbe nwata akwukwo mutachara ihe dum a kuziiri ya, akwukwo o mutara ha ka nke onye nkuzi ya. "Ma gini mere i ji legide anya na nwa irighiri ahihia di n'anya nwanne gi, ma i choputaghi ibe osisi dachiri anya nke gi? Olee otu I si hu onu isi nwanne gi: 'Nwanne m, ka m tuchapu gi nwa irighiri ahihia di gi n'anya', mgbe gi onwe gi na-achoputaghi ibe osisi dachiri anya nke gi? Ome ka e too ya! Burugodu uzo bupu ibe osisi dachiri gi anya gi, ka i wee hu uzo ituchapu nwa irighiri ahihia ahu di n'anya nwanne gi."Osisi oma anaghi amita mkpuru rere ere. Osisi rere ere anaghi amita mkpuru oma. A na-amata osisi o bula site na mkpuru ya. A naghi aghota udara n'osisi ogwu; a dighikwa aghota utu n'osisi uke. Ezigbo mmadu na-esite n'ihe oma juru ya obi na-eme ihe oma; ajo mmadu na-esitekwa n'echiche ojoo furu ike n'obi ya, na-aru aruruala. N'ihi na onu ka e ji ekwuputa ihe juru mmadu n'obi. **Ozioma nke Oseburuwa- Otito diri Gi Kristi**

**English:**
**First Reading- A Reading from the Book of Sirach (27: 4-7)**
When a sieve is shaken, the husks appear; so do one's faults when one speaks. As the test of what the potter molds is in the furnace, so in tribulation is the test of the just. The fruit of a tree shows the care it has had; so too does one's speech disclose the bent of one's mind. Praise no one before he speaks, for it is then that people are tested. **The Word of the Lord- Thanks be to God**

**RESPONSORIAL PSALM- Psalm 92:2–3, 13–14, 15–16 (see 2a)**

1. It is good to give thanks to the LORD, to sing praise to your name, Most High, to proclaim your kindness at dawn and your faithfulness throughout the night. **R. Lord, it is good to give thanks to you.**
2. The just one shall flourish like the palm tree, like a cedar of Lebanon shall he grow. They that are planted in the house of the LORD shall flourish in the courts of our God. **R. Lord, it is good to give thanks to you.**
3. They shall bear fruit even in old age; vigorous and sturdy shall they be, declaring how just is the LORD, my rock, in whom there is no wrong. **R. Lord, it is good to give thanks to you.**

**SECOND READING: A reading from the first letter of St. Paul to the Corinthians 1 Corinthians 15:54-58** Brothers and sisters: When this which is corruptible clothes itself with incorruptibility and this which is mortal clothes itself with immortality, then the word that is written shall come about: Death is swallowed up in victory. Where, O death, is your victory? Where, O death, is your sting? The sting of death is sin, and the power of sin is the law. But thanks be to God who gives us the victory through our Lord Jesus Christ. Therefore, my beloved brothers and sisters, be firm, steadfast, always fully devoted to the work of the Lord, knowing that in the Lord your labor is not in vain. **The Word of the Lord- Thanks be to God**

**ALLELUIA (Philippians 2: 15d, 16a) R. Alleluia, alleluia.** *Shine like lights in the world as you hold on to the word of life* **R. Alleluia, alleluia.**

**Gospel: A reading from the holy Gospel according to Luke (6:39-45)**
Jesus told his disciples a parable, "Can a blind person guide a blind person? Will not both fall into a pit? No disciple is superior to the teacher; but when fully trained, every disciple will be like his teacher. Why do you notice the splinter in your brother's eye, but do not perceive the wooden beam in your own? How can you say to your brother, 'Brother, let me remove that splinter in your eye,' when you do not even notice the wooden beam in your own eye? You hypocrite! Remove the wooden beam from your eye first; then you will see clearly to remove the splinter in your brother's eye. A good tree does not bear rotten fruit, nor does a rotten tree bear good fruit. For every tree is known by its own fruit. For people do not pick figs from thornbushes, nor do they gather grapes from brambles. "A good person out of the store of goodness in his heart produces good, but an evil person out of a store of evil produces evil; for from the fullness of the heart the mouth speaks." ***The Gospel of the Lord- Praise be to you Lord Jesus***